IGBU ỌCHỤ DỊKA ỌGHỌM NYE NDỤ: NZIPỤTA YA N'AKWỤKWỌ NDỊ A HỌỌRỌ

[1]Nnamdi Ani
[2]Nkechinyere Nwokoye

Ụmịedemede

Igbu ọchụ abụrụla otu ihe jupụtara ụwa taa nakwa n'ala Naijiria. Ọnọdụ a na-ebute nnukwu ọdachi n'obodo nakwa n'ezinaụlọ dị iche iche. O nweghị ụbọchị chi bọrọ, anaghị anụ maka ndị maọbụ onye nwụrụ ọnwụ n'ike site n'iji egbe, mma maọbụ site n'ihe mberede okporoụzọ. Ụfọdụ ndị jizi igbu mmadụ n'ike dịka ụzọ ha ji akpata ego, ebe ụfọdụ ji ya dịka ụzọ ha ga-eji nweta ọkwa ọchịchị. Ka ndị mmadụ si ewetara mmadụ ibe ha ọnwụ ike iji kpata ego n'oge a nakwa ka ọtụtụ ndị mmadụ aka ha dị ọcha si àlá àlà mmụọ n'ike n'oge a kpalitere mmụọ nwanchọcha ileba anya n'isiokwu a iji hụ etu ndị odee agụmagụ Igbo si zipụta ọnwụ ike n'ime akwụkwọ ha. Nchọcha a ga-eleba anya n'akwụkwọ agụmagụ abụọ ndị a họọrọ nke gụnyere iduuazị abụọ na ejije abụọ. Nwanchọcha gbasoro atụtụ ezi agwa Plato na Aristotle wubere nke nyere nwanchọcha ohere ileba anya n'agụmagụ wee zipụta ọnọdụ pụtara ìhè n'ime ha nke dubara agwa ndị nọ n'akwụkwọ ndị a ibutere mmadụ ọnwụ ike na nsogbu ezinaụlọ ahụ ọdachi ahụ dabidoro nwere. Nwanchọcha gbasoro usoro nchocha nke nkọwa iji mee ka isiokwu a doo anya. Nchọpụta gosịrị na e nwere ọtụtụ ihe butere e ji egbu mmadụ n'ike nke onye ọbụla nwere òkè na ọrụ ịhụ na ọnọdụ ọjọo a belatara maọbụ kwụsị kpamkpam. Ụfọdụ na-ebutere ibe ha ọnwụ ike n'ihi na ha chọrọ ịbụ eze, ebe a na-azọ akụnaụba, ekworo nakwa anyaụfụ d.g.z. Ndị ọchịchị ga-ahụ na ha wepụtara ọrụ nye ndị ntorọbịa iji gbochie igbu mmadụ n'ike; ma mee ka ndụ bụrụ ihe a na-echekwa nke ọma. Nchọcha a ga-enyere ndị Igbo aka iwepụ aka n'ihe ọbụla ga-eduba ha n'igbu mmadụ n'ike. Ọ ga-emekwa ka mmadụ malite inwe ezi ịhụnanya n'ebe mmadụ ibe ya nọ nke ga-eme ka mmadụ iji aka ya butere mmadụ ibe ya ọnwụ ike laa kpamkpam.

Ndubanye

Ndị odee agụmagụ Igbo na-esite n'ekereuche ha na-ezipụta ihe na-emegasị na ndụ n'ime akwụkwọ agụmagụ ha na-edegasị. Ndị Igbe nwere ihe ha na-eme nakwa ihe ha anaghị eme. Ihe ndị ahụ ha anaghị eme ka ha na-agbarụrụ ihu mgbe ọbụla ha hụrụ onye maọbụ ndị mere ya. Ha gụnyere, izu ohi, ịtọ mmadụ, igbu mmadụ, ekworo, anyaụfụ d.g.z. Dịka ọ dị n'oge a, ọtụtụ ndị mmadụ anwụọla site n'aka ndị ji egbe egbu aghara aghara amaghị ndị ha bụ. Ụfọdụ bụ ndị oji ahụ mmadụ akpata ego iji

nwee oke akụnaụba napụrụ ndụ ha, ụfọdụ bụkwa ndị na-achọ ọkwa dị elu n'ọchịchị zipụrụ ndị omekome ewee gbuo ha n'ike, ụfọdụ bụzi n'ihi anyaụfụ ịnapụ mmadụ akụnaụba ndị o nwere butere ọnwụ ike nke ya. E nwekwara ndị mma a chọrọ iji gbuo onye ọzọ gburu n'ebe mmadụ na ibe ya na-alụ ọgụ n'etiti nwanne na nwanne, ndị na-achịgharị ehi gbukwara ụfọdụ n'ugbo ha, nwee ụfọdụ ụmụ okorọbịa chọrọ igba nnukwu ụgbọala n'otu ọnwa tufuru ndụ ha. Igbu ọchụ abụrụla okwu a kpụ n'ọnụ n'ọtụtụ ebe n'ala Naijiria n'oge a. N'oge nna nna anyị ha, ha na-agbarụrụ mmadụ iji aka ya gbuo mmadụ ibe ya ihu. Onye mere ihe dị otu a na-anọ na ntaramahụhụ so ya n'ihi na Igbo kwenyere na ọ bụ arụ ka onye ahụ mere, mana ọdịghi otu ọ dịbu ugbu a. Mmadụ igbu mmadụ ibe ya bụzi akụkọ a na-anụ n'oge niile chi foro. Ihe anaghị eme na nkịtị, ọ bụ egbe buuru nwa ọkụkọ o ji na-eti mkpu. E nwere ọtụtụ ihe na-eduba mmadụ n'ime ajọ ihe nke nwere ike ime ka ha gbuo mmadụ n'ike n'oge a, nke kachasị bụ ịnọ nkịtị na-enweghị aka ọrụ. Mgbe ndị ọchịchị enweghị ọrụ bara uru ha wepụtara ka ndị ntorọbịa gụchara akwụkwọ na-arụ, iji na-enyere onwe ha na ezinaụlọ ha aka, o nwere ike iduba ụmụ okorọbịa n'ịrụ ọrụ ọjọọ ọbụla. N'oge a, o nweghị ọrụ ndị gọọmenti wepụtara ka ndị gụchara akwụkwọ na-arụ iji nyere onwe ha aka. Nke a na-eme ka ha nọrọ nkịtị ma na-enwe ọtụtụ echiche ọjọọ dị iche iche. N'ala Igbo, ịnọ nkịtị abụghị ihe e ji mara ndị Igbo. Ha kwenyere na aka aja aja na-ebute ọnụ mmanụ mmanụ, aka nọrọ nkịtị agụụ egbuo ọnụ, onye ngana kpuchie ute agụụ ekpughe ute mere ha ji agba mbọ ịchọta ihe ha ga-eri.

Enweghị ihe mmadụ na-arụ na-ebute nkwụgharị ọjọọ ebe a na-anọ mụta agwa ọjọọ dị iche iche. Ụfọdụ si n'ime ya mụta izuru ọpante ụmụnwaanyị were kpata ego. Ndị ha zuuru ọpante ha nwere ike ibido yiwa ara, si na ya nwụọ. Onye ọbụla banyere n'oke nkwụgharị na-esi na ya nwee enyi ọjọọ, ụfọdụ esewe sịga, Igbo, Koken, mkpụrụ mmiri na Ọkpọkọ. Mgbe o mechara nke a, mmadụ esi n'ime ya pụọ, o bido ime jọ aghara aghara n'ihi na isi ezughịzi ya ezu. Ọ bụghị naanị ndị enweghị aka ọrụ na-akpa agwa ọjọọ a, ufọdụ bụkwa ndị enweghị ka aka ha ndị ezinaụlọ ha nakwa ụmụaka ndị enweghị ezi ọzụzụ. E nwekwara ndị ọ bụ oke mkpagbu a na-akpagbu ha tinyere ha n'ụdị ajọ agwa dị otu ahụ ọkachasị nwa enwe nne na nna. E nwekwaziri ndị na-atọrọ mmadụ, were anụ ha mee ihe masịrị ha. A na-eji anụ mmadụ ndị ha tọọrọ gbuo agwọ ajọ ọgwụ iji kpata ego. E nwere ndị ji ya esi nri ụlọ oriri dịka Nwana (2021) dere maka otu nwaanyị ndị uwe ojii jidere na steeti Anambra n'ihi na ọ na-esi anụ mmadụ na-ere n'ụlọ erimeri ya. Ọ kọwara na ọ bụ ndị bi n'ogbe ahụ nyopuru ihe na-eme n'ụlọ ahịa ya. E mekwara ka ọhanaeze ghọta na ndị o ji anụ ha esi nri bụ ụmụaka ndị ọ na-eji ọnụ ụtọ na onyinye dị iche iche aghọrị ka ọ na-egbu, were anụ ha na-esi nri. Derrick na Vanguard (2021) kọwara maka nwaanyị onye amụma n'ebe obibi ya dị n'Akunwata Mbamalu 3.3 Nkwelle onye nke aka kpaara n'ihi ihe

mmekpo ịsụ ụmụaka n'odo wee na-eme ncha na ngwaọrụ ndị ọzọ o ji eme ekpere. Ụbọchị aka kpaara ya, a hụrụ ụmụaka atọ gba ọtọ e kefere aka na ụkwụ azụ n'ụlọ ya ndị nke ọ na-eche oge ọ ga-eme ha ihe o mere ndị ọzọ. O kwuru na nwaanyị ahụ bụ Nwafor dị afọ iri asatọ ebe onye otu ya bụ Rejoice dị afọ iri atọ na Itoolu. News Agency Naijiria (2021) kọrọ maka Maazị Egwuagu onye Udi n'Enugwu steeti si kpesara ndị uwe ojii agwa nwunye ha kpara ha wee wụchie kpara nwaanyị ahụ bụ Nnenna Egwuagu dị afọ iri abụọ na Itoolu onye nke nyere nwa nwoke di ya mụtara tupu ọ lụọ ya ọgwụ ike nke dulara nwa ahụ bụ Wisdom Egwuagu mmụọ. N'ajụjụọnụ ndị uwe ojii gbara nwaanyị a, ọ kọwara ihe kpatara o ji kpaa ajọ agwa ahụ bụ n'ihi na di ya anaghị eleta ya na ụmụ nwaanyị ọ mụtaara ya anya nke ọma nke mere o ji chọọ ka nwa ahụ rịa ọrịa ka di ya mefuo nnukwu ego ịgwọ ya ka ọ nara ahụ ụfụ.

Ọtụtụ ihe ike na-eme n'oge a, ndị nwụrụ ọnwụ ike kariri ndị nwụrụ ezigbo ọnwụ. Ya mere, a ga-eleba anya n'ihe dị iche iche iji zipụta isiokwu a n'uju ma mee ka o doo anya nke ọma. Akwụkwọ ndị a ga-eleba anya gụnyere:

Chi Nwa Ogbenye – Akaa Ujaa

Mmadụn Ka A Na-Arịa – Okeke Jerry

Nwayọ Bụ Ije – Ndibe Ngozi

Atụtụ

Atụtụ bụ iwu e ji eleba anya n'isiokwu ọbụla iji maka ka ndị odee si ewebata ụfọdụ ihe metụtara iwu ndị ahụ n'ọrụ ha. Ọ bụkwa usoro e ji atụpụta nkamma odee. Atụtu a bụ atụtụ ezi agwa nke a kpọrọ "moralism" sitere n'okwu Latin a kpọrọ "moralis" nke pụtara ozi e zipụrụ maọbụ mmụta sitere n'akụkọ, abụ maọbụ ọnọdụ, Plato na Aristotle bụ ndị wubere atụtụ a nke ha ji lebaa anya ka ndị odee si ewebata akparamagwa agwa n'agụmagụ ha, ka akparamagwa a si akụziri ndị ọgụụ ezi ihe mmụta n'ikpeazụ, ajọ akparamagwa kwesịrị nkatọ na ezi akparamagwa kwesịrị nnọmi n'agụmagụ. Atụtụ a nwere ngalaba iri mana nke dabara nke ọma bụ etikal egoyizm "Ethical Egoism" nke na-akọwa na ihe ọma maọbụ ihe ọjọọ mmadụ na-eme sitere etu ọnọdụ ahụ ga-esi dabara ya.
Ọ dị ụfọdụ ihe atụtụ a na-eleba anya

- Etu akparamagwa mmadụ si agbanwe onye ọzọ
- Ka mmadụ si amụta akparamagwa dị iche iche
- Ọghọm ajọ akparamagwa na-ebutere onye/ndị mụtara ya
- Ihe kpatara agwa ji kpaa ụdị akparamagwa ahụ. d.g.z

Ihe ndị a mere e ji were atụtụ a lebaa anya n'agụmagụ ndị a họọrọ iji mata ihe ndị nwere ike iduba mmadụ n'agwa ọjọọ a bụ ibutere mmadụ

ọnwụ ike n'ụzọ ọbụla ma matakwa ihe a ga-eme ka ụdị akparamagwa a belata maọbụ kwụsị kpamkpam.

Ntụlegharị Agụmagụ/Nkọwa ọkpụrụkpụokwu pụtagasịrị n'ọrụ a.

Ọnwụ ike

Igbu ọchụ/Igbu mmadụ n'ike n'olu Bekee bụ "murder". Nke a pụtara mmadụ ịkpacha anya gbuo mmadụ ibe ya mgbe chi kere onye ahụ achọbeghi ka ọ nwụọ. Ọ bụ otu n'ime mpụ dị iche iche ndị e nwere nke gụnyere Johnson (2013) na Gordon (2013) hụtara igbu mmadụ n'ike ka mmadụ ịkpacha anya gbuo onye ọzọ n'ihi obi ọjọọ nke nwere ike site n'uche esemokwu mana Brassard (2013) kwenyere na mgbagha ụsa Sinjab (2013) ebe ọ kọwara na igbu mmadụ n'ike bụ iwepụ onye ọzọ mana ọ bụchaghị ajọ ihe dị ka e si kwuo n'ihi na iwu kwadoro ụfọdụ igbu mmadụ n'ike dị ka ndị uwe ojii igbu onye ohi maọbụ ndị amị nọ n'ihu agha wee gbuo ndị ọjọọ na-alụso ha agha nke a ga-asikwanụ na mmadụ gburu onye chọrọ ibu ụzọ gbuo ya bụ ihe ọjọọ si n'obi ọjọọ pụta. Olamide (2015) kọwara ọnwụ ike dịka igbu onye ọzọ n'ike n'ụzọ iwu akwadoghị. O kwuru na o nwere iwu megidere igbu mmadụ n'ike nke dị n'ihu akwụkwọ S.319 nke kodu mpụ, ebe ahụ ka a ga-ahụkwa ntaramahụhụ dịịrị onye gburu mmadụ mana o nwekwara ike ịbụ mmadụ iji n'ihi obi ụfụ na ekworo o nweere onye ọzọ wee gbuo ya n'ike. Mgbe ihe dị otu a mere, ntaramahụhụ ya dị n'ihu akwụkwọ S.308 CC. Onye ọbụla tinyere aka n'iwepụ ndụ mmadụ n'ike n'ụzọ ọbụla, egbuola mmadụ. User (2008) kọwara na igbu mmadụ n'ike dị n'ụzọ abụọ; ya bụ, nke iwu kwadoro na nke iwu akwadoghị. Ọnwụ ike nke iwu kwadoro gụnyere mmadụ igbu onye chọrọ igbu ya iji zọpụta onwe ya, ọnọdụ ọgbaghara, igbochi mmebi akụnaụba d.g.z ebe ọnwụ ike nke iwu akwadoghị bụ mmadụ ikpebi wee wepụ ndụ onye ọzọ

Ụdịdị ọnwụ ike/igbu mmadụ n'ike

E nwere ụdịdị igbu ọchụ nke gụnyere:

- Avọnkulisaịd: nke a bụ okwu Latin a kpọrọ "avunkulus" nke pụtara mmadụ igbu nwanna ya nwoke.
- Familisaịd: nke a pụtara "familia" n'okwu Latin. Nke a bụ ụzọ dị iche iche e si egbu ọtụtụ mmadụ n'otu ogbe. Igbu ezinaụlọ onye gburu mmadụ.
- Jeọntịsaịd: nke a bụ ịhapụ/ileghara ndị okenye anya ka ha nwụọ site n'igbu onwe ha maọbụ mmadụ igbu ha.
- Ogbugbu nkwanye ugwu: nke a bụ igbu otu onye ezinaụlọ nke ga-ewetara ezinaụlọ ya mmechu ihu.
- Ịfantịsaịd: nke a bụ igbu nwa a mụrụ ọhụụ n'agbata afọ mbụ a mụrụ ya.
- Partịsaịd: nke a bụ nne na nna igbu nwa maọbụ ụmụ ha.
- Sentịsaịd: nke a bụ mmadụ igbu onye ezinaụlọ ya merela okenye/kara nka oge ha enweghịzi ike ịrụ ọrụ maọbụ mgbe onye ahụ bụrụ ihe

mmekpa ahụ dịịrị ezinaụlọ ha si n'ime ya. O si n'okwu Latin a kpọrọ "senex" nke pụtara "old man".

- Ụzọrisaịd: okwu a si n'okwu Latin "uuor" nke pụtara nwunye. Ọ bụ nwoke igbu nwunye ya.
- Femisaịd/gaịnesaịd/gaịnosaịd: nke a bụ iji ụzọ nka dị iche iche gbuo ụmụ nwaanyị.

Ụzọ dị iche iche e si egbu ọchụ

E nwere ụzọ dị iche iche na ngwa ọrụ dị iche iche e ji egbu mmadụ dị ka:

- Iji mma na daga sụgbuo mmadụ
- Iji anyụike gbuo mmadụ
- Iji egbe gbagbuo mmadụ
- Inye nsi
- Ịtọgbu mmadụ
- Iji osisi kụgbuo mmadụ
- Ụgbọala ịkụgbu mmadụ
- Ịtụ mgbọ ogbunigwe

Ihe ndị nwere ike iduba n'igbu ọchụ

E nwere ọtụtụ ihe nwere ike iduba mmadụ n'igbu onye ọzọ n'ike dị ka iwe ọkụ, oke ọchịchọ, ikpuchi ajọ ihe ka onye ọzọ ghara ịchọpụta, obi ọjọọ, izu ohi, anya ukwu d.g.z. Zamudio (2019) kwenyere na anya ukwu, ekworo, igba n'ezi, iwe ọkụ na ịbọ ọbọ na-ebute igbu mmadụ n'ike mana ihe kachasị bụ ịkpọ ọgwụ ike. O kwukwara na ihe na-ebutere mmadụ chị ọjọọ ịdaba n'aka ndị ogbu mmadụ bụ mmadụ ịnọ ebe o kwesịghị ịnọ n'oge adịghị mma.

Nleba anya n'akwụkwọ agụmagụ ndị a họọrọ

A ga-eleba anya n'akwụkwo agụmagụ ndị a họorọ iji zipụta ọnwụ ike, ihe kpatara ọnwụ ike na ụzọ dị iche iche e si gbuo ndị e zipụtara n'ike.

Chi Nwa Ogbenye

Dị ka ekwuola na e nwere ọtụtụ ihe nwere ike iduba mmadụ na mpụ nke na-enye ohere ibutere onye ọzọ ọnwụ ike, ka e lebaa anya ka Ujaa si zipụta ha n'agụmagụ a.

i. Oke ọchịchọ na oke iwe n'ezinaụlọ: Ichie Nzekwe wepụrụ ndụ eze Jideọfọ n'ihi na o nwere mmasị ịbụ eze ndị Ụmụatọ n'ihi na nwunye eze bụ Ugonwa amụghị nwa kemgbe afọ iri na ise, Jideọfọ wee na-aka nka n'ike. Ozugbo Jideọfọ gwara ụmụnna na Ugonwa adịla ime ọnwa abụọ, iwe bara Ichie Nzekwe ahụ nke mere ka ọ gaa kpọta ndị bịara gbuo eze

Jideọfọ, ma kwuo na igbuzi nwunye ya nwa dị ya n'afọ ga-abụzi ofe nracha. Ujaa (ihu 9-10) kọrọ sị:

> Ihe mere Ichie Nzekwe ji gbuo nwanna ya adịdghị omimi! Nke a bụzi afọ iri na ise eze Jideọfọ luru nwunye, ma nwunye ya atụghịị, ọ mụghịị. Nke a mere ndị ụmụnne eze anaghị achọ iji anya hụ Ugonwa. Eze emewala agadi na-enweghị nwa, ọ bụụrụ Ichie Nzekwe ihe ịtụnanya mgbe eze gwara ha na nwunye ya adịla ime ọnwa abụọ. Ichie Nzekwe, nwoke obi tara ụsụ, onye bidoro kemgbe na-akwado maka ibu oche ọchịchị ndị Ụmụatọ ngwa ngwa eze ga-anwụ, wee kpọọ n'ubu kwuo na ya agaghị adị ndụ nke a emee. Ọ bụ ya mere o jiri rite ndị ga-ewepụ ndụ eze Jideọfọ. N'ihi na eze nwụọ, igbu nwunye ya na nwa ọhụrụ ya agaghị arakwa ya ahụ. N'ezigbo isi ụtụtụ ya bụ ihe mere;eze Jideọfọ nọ n'oche ndị Ụmụatọ ji chie ya eze, na-agba azị ụtụtụ. Ka o bu ọjị na mmanya n'aka, ndị iro ahụ ji mma na an ji mma na anyụike bakwu ya. N'ekwughị ekwu, n'akaghị aka, ha jidere ya gbuo, hapụ ozu ya ebe ahụ chọrọ ụzọ ụla.

ii. Ịkpọ asị, ajọ ọchịchị na enweghị ọrụ: Mmadụ enweghị ọrụ bara uru ọ na-arụ na-eduba mmadụ n'igbu mmadụ ibe ya site n'ịlụ ọgụ. (ihu 13) Ichie Nzekwe bidoro chịwa ndị Ụmụatọ ma kwuo na Ugonwa tụụrụ ime ọkwa. Ọ sị " O nweghị onye nọ n'obodo a na-anụghị na Ugonwa atụrụla ime ọkwa. Anyị agaghị anọ ndụ, ihe dị otu a emee. Agbara nwe obodo a bịa ịbọ ọbọ, ndị Ichie ka ọ ga-ebido gbuwe". N'ihu (14-15), Ichie Nzekwe nyere iwu ka achụọ Ugonwa n'obodo kpọrọ ya gaa n'obodo ọzọ e ji ajọ ihe mara ebe ọ ga-anọ nwụọ. N'ụzọ ije ahụ ka ọgụ tazuru, ụmụ okorọbịa sụwa onwe ha akwụ. Ujaa (14-15) kọrọ sị:

> Mgbe eze kwuchara ihe ole na ole, o nyere iwu ka e buru Ugonwa je dowe n'oke ala ndị Ụmụatọ na ndị Utumo, ka ọ nọrọ n'ebe ahụ nwụfuo. Ichie Nzekwe ma nke ọma na ọkụkọ jere na be nwa dibịa, jere ọnwụ. Obodo Utumo bụ obodo ndị ohi, obodo jupụtara na mpụ na ihe ọjọọ dị iche iche. Ndị Utumo anaghị eji anya ọma ele onye ọbịa. Ụmụ okorọbịa ise ọbara juru ahụ wee bido egwu agha, buru Ugonwa tinye isi n'ụzọ Utumo. Ndị Utumo nụrụ egwu agha, chee na ọ bụ ndị iro ha na-abịa. Ụmụ okorọbịa iri na ise ahụ si n'ụzọ ọhịa kwachie ndị Ụmụatọ n'ụzọ ha ga-eso laa. Ugbu a, ha abanyela n'oke ala ndị Utumo, dote nwaanyị ahụ ha bu, tụgharịa ịlaghachi n'obodo ha. Ka ha pụtara n'ụzọ ụmụ okorọbịa ndị Utumo atọ si n'ọhịa mapụta, jụwa ndị Ụmụatọ ahụ ndị ha bụ nakwa ihe ha na-achọ. Ka e ji okwu n'ọnụ, otu nwa okorọbịa a na-etu Ekwekwe n'Ụmụatọ mabuuru ukwu osisi dị n'ala ebe ahụ tigbuo otu nwa okorọbịa onye Utumo, ọgụ wee su. Ndị Utumo zoro n'ime ọhịa ji iwe buru mma ha wakwu ụmụ okorọbịa ndị

> ụmụatọ, sụọ ha akwụ. Naanị otu onye jisiri ike gbanahụ ha, gaa kọọrọ ndị Ụmụatọ ihe merenụ, akwa wee daa ebe niile.

Ọghọm ọnwụ ike n'obodo Ụmụatọ

Ọ bụ naanị onye nzuzu ga-ekwere ikwiikwii egwu .Ugonwa ṅụrụ iyi imegwara ihe e mere di ya, maka na ebe egbe gara buru ọkụkọ ma ọ dịghị onye tiri mkpu, ọ chọwa ibute ọkụkọ ụbọchị ọzọ, ọ gawa ebe ahụ. Ọ gara na nke dibịa Ogwunge ka ọ bọọrọ ya ọbọ. Ujaa (ihu 22) kọwara sị:

> Ichie Nzekwe chụpụrụ m n'ala Ụmụatọ n'ihi na m dị ime. Ọ matala nke ọma na ike kwe; m mụọ nwa nwoke, ọ bụ ya ga-anọchi anya nna ya nwụrụ anwụ n'ọchịchị. Nke a mere o ji ekwusa ebe niile na m tụụrụ ime ọkwa, wee sizie otu a chụọ m ụkwụ ete aja n'ala Ụmụatọ. Ogwunge! Ihe m bịara bụ, ọ bụrụ na ọ bụ onye ọzọ tụrụ m ime, gbuo m, ma ọ bụrụ na afọ ime bụ nke eze Jideọfọ, chụọ ndị na-achụ m.

Obodo mechara bụrụ igwe n'obodo Ụmụato n'ihi ọnwụ ike eze Jideọfọ dịka Ugonwa siri rịọ Ogwunge. Ihe ike bidoro mewe n'Ụmụatọ. Ujaa (ihu 89-90) kọwara sị:

> N'obodo Ụmụatọ, kemgbe Ichie Nzekwe gbuchara eze Jideọfọ, o nweghị ihe na-aga aga. Agbara nwe obodo ahụ ekweghị na ndị obodo ahụ ga-ahụ ihe ọma. Mmiri adịghị ezo otu o kwesịrị. O nweghị ihe ọbụla a kọrọ n'ugbo na-eme nke ọma. Ndị ọrụ aka na ndị na-azụ ahịa adịghị eme nke ọma. Ndị mmadụ na-anwụ ka ọkụkọ, n'ihi ụdị ọrịa batara n'obodo Ụmụatọ. Ọrịa ahụ na-egbu ndị mmadụ kemgbe afọ iri abụọ gara aga. Ichie Nzekwe n'onwe ya nwere ezigbo ahụ ọnwụnwụ, kemgbe o gbuchara eze ndị Ụmụatọ, ahụ afọghị ya. Ebe ọ ka njọ bụ na kwa afọ ọbụla, ikuku na-akwatu ụlọ ndị mmadụ. Ọrịa dị n'obodo Ụmụatọ riri isi mmadụ nke a gụtaghị agụta. Obodo Ụmụatọ mechara kwụsị ili ozu. Onye nwụọ, e buru ozu ya ga tụnye n'ajọ ọhịa. Agụụ na-agwọ ndị mmadụ ịba. I lee nwata gbara afọ asaa anya, ntụtụ isi ya a na-anacha anwụ anwụ. Ụfọdụ mmadụ bidoro ịkwapụ n'obodo Ụmụatọ n'ihi ihe isi ike. Egbe eluigwe ekweghị ndị mmadụ zuo ike. Ndị niile aka ha dị n'ọnwụ eze jideọfọ ka egbe eligwe sunyechara ụlọ ha ọkụ. Ụfọdụ ka o kpochapụrụ ezinaụlọ ha. N'ihi ya, ị bata n'obodo Ụmụatọ, ebe niile dị ka ebe a gbara ọsọ. Ụmụokoro na agbaghọ dịcha ka nkịta ara n'ihi agụụ. Ewu na atụrụ ndị mmadụ na-anwụ n'ike n'ike. Ndị obodo Ụmụatọ amaghị na ọ bụ ihe Ichie Nzekwe nyụrụ n'ọtụtụ afọ gara aga na-esi ha.

Mmadụ Ka A Na-Arịa

i. Enweghị ezi ọzụzụ n'ezinaụlọ: Azụghị mmadụ nke ọma n'ezinaụlọ onye ahụ si pụta na-eduba mmadụ n'ajọ omume nke gụnyere isonye na ndị na-aga ozi ọjọọ nke na-eme ka mmadụ nwụọ ọnwụ ike. Otondo nwere ajọ ọzụzụ site n'aka nna ya nke mere ka o soro gaa igbute isi a ga-eji kwaa eze na-achị obodo nwụrụ anwụ. Okeke (ihu 16) kọrọ sị:

Mgbe Ukoro nwụrụ, ụmụ dibie ndị ọzọ gbara afa wee sị na a ga-eji isi mmadụ asaa wee lie Ukoro. A gwara ha na ha ga-abụrịrị ụmụntakịrị nwoke gbara afọ iri abụọ wee rue afọ iri abụọ na ise. Ihe ndị ahụ na-achụ nta ndị mmadụ na-eme bụ na ọ bụrụ na ha bata n'ime ụlọ be mmadụ, ha agbawaa ụzọ, were aka ha chọwa ụmụnwoke. Nwata nwoke ọbụla nke tozuru etozu ha hụrụ, ha anọrọ n'ihu nne na nna ya gbupu ya isi buru isi ya bugaraeze na-achị obodo. Nne maọbụ nna ọbụla tinyere aka ebe a na-egbu onye ahụ, a ga-ejikwa mma ahụ gbue ya mana agaghị ebepu ya isi. Onye ọbụla e gbupuru isi, anaghị eli ya eli kama a na-eburu ya gaa tọgbọ ya n'ọhịa Agwụ. Ebe ahụ ka ọ ga-anọ wee rekesịa. Otu nwoke a na-akpọ Uchu mụrụ naanị otu nwoke. Mgbe ndị nta mmadụ ahụ batara n'ụlọ ya, ha jidere ya ebe ọ na-ekpochi olulu ebe o zoro nwa ya. Ha tiri ya nnukwu ihe ma kpụpụtakwa nwa ya nwoke ahụ gburu ya isi tọgbọ n'ala. Obi ekweghị Uchu ka ọ hapụrụ ha nwa ya nwoke ahụ, kama, ọ bara n'ime ụlọ buputa egbe ntụ ya wee gbaa otu onye, gbagbue ya. Kịtịkpa mịpụtara mma ya wee sụgbue Uchu. Ha buuru ozu onye otu ha, burukwa isi nwa Uchu wee pụọ.Tupu ọ na-eru mkpụrụ ụbọchị iri na anọ e nyere ha, ha egbutezuola isi mmadụ asaa mana n'ime mmadụ asaa gara njem ahụ, ọ bụ naanị atọ lọtara na ndụ.

ii. Enweghị ọrụ/ịnọ nkịtị: Mmadụ ịnọ nkịtị na-ema ka mmadụ na-eche ajọ echiche dịka inwe ajọ enyi/ịba n'ajọ òtù nke ga-eme ka echiche ọjọọ dịka ịga zuo ohi bata mmadụ n'ime nke nwere ike ibutere mmadụ ọnwụ ike. Okeke (ihu 86) kọrọ sị:

> Ụbọchị Otondo na ndị otu ya gara ohi n'ụlọ akụ, ha kwakatara mbọ ọ dịka ebe a na-alụ agha. Mgbọ ha na-atụ ma ndị ilo ha ma ndị abụghị ndị ilo ha. Ihe nwụrụ n'ụlọakụ ụbọchị ahụ bụ ihe karịrị ọgụ mmadụ. Mmadụ asatọ n'ime ndị bịara iwere ego n'ụlọakụ ka a gbagburu ebe nnụ kwuru nnụ bụ ndị e merụrụ ahụ. Ndị nche atọ e nwere n'ụlọọbaego ahụ bụ ndị a gbagbuchara. Ha atọ nwụrụ pịị. Mgbe ha na-ala, ha hụrụ ụgbọala kwụsị ya. Mgbe ha rutere ụgbọala ahụ nso, ha gbachiere ya n'ihu wee gbalie egbe elu, machapụtasịa n'ụgbọala ha wee sị onye ahụ nwe ụgbọala ahụ ka o si n'ime ụgbọala ahụ pụta. Nwoke ahụ siri ọnwụ na ọ gaghị apụta, ha wee gbaa ya egbe ugboro atọ n'obi, ọ daa nwụọ. Ha si n'ime ụgbọala ahụ kwapụ ya n'ala wee buru ụgbọala ha wee pụọ wee hụ ụgbọala ọzọ gbawaa ụkwụ taya moto ahụ ma werekwa mgbọ wụọ onye ọkwọụgbọala ahụ àhụ́. Ha mabachara n'ime ụgbọala ahụ wee sị onye ọbụla maa afọ n'ala. Tupu oge ahụ, ihe karịrị mmadụ iri anwụnyụọla anya n'ihi mgbọ egbe tụrụ ha. Otu

> nwoke jụrụ na ọ gaghị eweta ego ya ka ha gbara egbe n'isi ugboro ise. Ọbara wee ju ebe niile. Ha jụrụ onye nke ọzọ aha ya bụ Obinna ajụjụ, mgbe ọ na-asa ha okwu ka o lere anya wee hụ otu onye n'ime ndị otu Otondo aha ya bụ Tyson. Ihe e jiri mara ya n'ụlọakwụkwọ bụ Chinedu. Obinna na Tyson nọ n'out mahadum, ozugbo o lere Tyson anya ka Tyson chọpụtara onye ọ bụ, o wee gbaa ya egbe ozigbo gbagbue ya.

Ọghọm igbu ọchụ butere ndị n'Ụmụaga

Ọtụtụ ndị mmadụ aka ha dị ọcha na ya bụ ohi Otondo na ndị otu ya zuru bụ ndị a kpụụrụ ma sikwa n'ụzọ ahụ mefuo ego iji gbapụta onwe ha, ebe ndị nwe ndị nwụrụ anwụ mefukwara ego tupu ha eburu ozu ndị nke ha. Okeke (ihu 87) kọrọ sị:

> Ozigbo ndị ohi ahụ na-apụ ka ndị uweojii bu moto na-akwọ sọ anwụrụ wee wụchie, ya na egbe ntụ ha bu n'aka. Ha niile matusịrị n'ụgbọala ha wee na-asị "wee dem? Wee dem?" Ha kwere aka na-akpụkọrọ ndị mmadụ ndị aka ha dị ọcha. Ndị mmadụ ha kpụụrụ ụbọchị ahụ dị iri mmadụ na asatọ. Onye ọbụla ji ego dị narị naịra ise wee gbara onwe ya. Ha buuru ozu ndị niile nwụrụ anwụ wee dọnye ha n'ụgbọala ha wee buru ha pụọ. Onye bịa iburu ozu ndị ha, e nwere ụgwọ ha ga-asị ya kwụọ.

Ihe agaghị nke ọma n'obodo Ụmụaga: Mkpamkpa ọjọọ a ndị otu Otondo kpara butere ọtụtụ ndaghachi azụ nye ndị Ụmụaga. Okeke (ihu 88) kọrọ sị:

> Mgbe e zuchara ohi ahụ na Merchant Trust Bank, gbuchaa mmadụ, enweghịzi ụlọakụ ụjọ kwere mepee. Agụụ wee dara ụmụ mmadụ na-anyụ ịkpakwụ. Ọtụtụ ndị mmadụ tinyere ego ha n'ụlọakụ enweghị ike ịga were ya. Enweghịzi ihe na-aga aga n'Ụmụaga. Ebe niile wee kpọchịkọrọ. Ọtụtụ ndị ahụ na-arịa enweghị ike ịga ụlọọgwụ maka na ego adịghị. Ụfọdụ ụmụakwụkwọ bụ ndị a chụpụrụ n'ụlọakwụkwọ maka na ego a ga-eji kwụọrọ ha ụgwọ akwụkwọ adịghịị. Mgbe ụlọakụ mepere, ọtụtụ ndị nwere ego n'ụlọakụ ahụ bụ ndị na-anọzighị ndụ iwere ego ha. Ụfọdụ ka agụụ gụgburu, ụfọdụ nwụrụ n'ihi ọbara mgbalielu nke bịakporo ha, ebe ụfọdụ ka ọrịa ndị ọzọ gburu maka na ha enweghị ego ha ga-eji gaa ụlọọgwụ.

Imebi aha obodo: Ọnwụ ike ndị otu Otondo buteere ndị mmadụ mere ka a na-agbara obodo ha ọsọ ịbịa biri na ya maọbụ rụọ ụlọ mmepe ahịa. Okeke (ihu 100) kwuru na "Ọtụtụ ụlọ ọrụ mgbasa ozi e nwere na mba ụwa dịka CNN, BBC na ndị ọzọgasị buru akụkọ ahụ. Ụfọdụ ndị Igbo na ndị Naịjirịa ndị bigasị na mba ọzọ nụrụ akụkọ ahụ wee ṅụọ iyi na ha

agaghị alọtakwa ọzọ. Ndị ọcha nụkwara akụkọ ahụ sikwara ọnwụ na enweghị ihe ga-eme ka ha bịa n'obodo ahụ rụọ ụlọ mmepụta ngwa ahịa. Ndị biara abịa nọ na-eche ka ha ga-esi wee laa. Ha na-ekwu na obodo ahụ adịghịzi mma obibi." Otondo na ndị otu ya mechakwara laa n'iyi maka na ogbu mma ga-esi na mma laa ebe ọgba egbe ga-esi n'egbe laa. Okeke (ihu 150) kwuru sị, "A gbagbukwara ndị otu Otondo niile fọdụrụ afọdụ mana egbe niile a gbara Otondo abaghị ya ahụ. Ọ bụzi aka, mma na isi egbe ka ndị amị jiri wee zoo ya mmiri n'ahụ."

Nwayọ Bụ Ije

N'akwụkwọ ejije a, odee zipụtara egeghị ndụmọdụ nne na nna nakwa ịnọ nkịtị dịka ihe nwere ike iduba mmadụ n'ime ihe ọjọọ dịka isogharị ụmụnwaanyị nke nwere ike duba mmadụ n'igbu mmadụ n'ihi na ọ chọrọ ego ọ ga-eji meta enyi ya nwaanyị mma. Akwụkwọ ejije a bụ akụkọ banyere Anụntị nwa Maazị Udeejiọfọ. Ọ bụ otu nwa ya na nwunye ya mụtara. Ọ gụchara akwụkwọ praịmarị jụ ịgazi akwụkwọ ọzọ n'ihi na o chere na ọ bụ ịga na-atụfu ego. Ọ jụkwara ịrụ ihe ọbụla dịka ọrụ aka ma chọọ ikpori ndụ tupu ọnwụ egbuo ya. Nne na nna ya gbara mbọ inye ya ndụmọdụ mana ihe niile ha kwuru bụ mmiri a wụrụ n'okwute. Anụntị mechara nweta enyi nwaanyị a na-akpọ Udomma onye gwara ya ka o nye ya ego ọ ga-eji dozie isi ya; na ọ bụrụ na o nyeghị ya ego ahu, enyi ha abụọ abịa n'isi njedebe. Anụntị chere ihe ọ ga-eme kpata ego ahụ ọ maghị, o kpebie ịtọrọ nna ya jiri kpata ego mana ọ gaghịzi dịka ọ chọrọ. O mechara buru egbe gaa ohi iji kpata ya bụ ego. Ngozi (ihu 73) sitere n'ọnụ Ndụakụ sị: "Nnaa, ma ka m jụkwaa, ọ pụtara na o nweghị ihe ọbụla ọ na-arụ o ji wee bụrụ nna ya tara ahụhụ n'isi ya ka ọ ga-eji kpaa ego." Chiadika zara ya sị:

> O nweghị ihe o kwere arụ. Gụọ akwụkwọ, okwu; mụkwuo aka ọrụ, okwu. Ozu nwa onye ọcha, e buo ya n'elu agha, e buo ya n'ala agha. Nna ya agbaala mbọ elu gbaa mbọ ala ebe ya bụ omekaịtọrọ nọ ma ya bụ agamevu ịnụrụ iyi na nna ya agaghị arahụnatara ya ụra. Ebe o kweghị na ya ga-abara onwe ya uru nna ya lefuuru ya anya si ya aka ka yam ma ya hinye n'isi.

Udomma bụ enyi ya nwaanyị (ihu 84) gwara Anụntị na enyi ha abụọ ebiela ebe ọ bụ na ọ chọghị imere ya ihe ọ na-arịọ ya. Ọ sị: "Aga m eje chọrọ onye ọzọ ji okpogho ga na-eleta m anya n'ihi na abịaghị m ụwa ahụhụ. Ọ bụkwa ọ kọọ nwoke n'akpa nwaanyị achọrọ onye ọzọ dị ya mma." Anụntị rịọrọ Udomma ka o nwekwuoro ya ndidi mkpụrụ abalị abụọ ka ọ mara ma bizinesi mba ofesi ya ga-abata. Udomma sịrị:

> Ndị bizinesi. Ị dị ka onye na-eme bizinesi? Ebe agụụ na-achọ ịtọrọ gị ọgọdọ n'ukwu ka ị na-eme bizinesi mba ofesi. Akpazila m ọchị. Ị ga-erijugodu afọ tupu ịchọwa bizinesi mba ofesi ị ga-

> eme. Ọ bụ nke a ị nọ n'ime obodo ewugharị, achọ ihe ị ga-ezuru n'ohi ka ị na-eme bizinesi. Ihe m na-agwa gị bụ na enyi anyị abụọ ebiela. Aga m atọ n'inwe ndidi, ahụhụ a na-akpụ m isi? Pụọrọ m ka m gaa chọrọ ndị ji okpogho meta ha enyi, ọ bụghị gị bụ onye ụbiam.

ụIhe ndị a niile Udomma gwara Anụntị mere ka o kpebie iburu egbe gaa ohi ka o nwee ike inweta ego ọ ga-enye Udomma n'ihi na ọ chọghị ka ọ hapụ ya. N'ohi ahụ ka ọ nọrọ gbuo mmadụ. Ọ sị: "Aniḳirija, mgbọigwe m, omereokenyeọsọpụrụnwata. O gbu onye ụbọchị na-atọ ya ụtọ. Onye I zutere n'ụzọ anaghị alaru ije ya na ndụ. Okpogho, ụdị ntebọ ọ masịrị gị tebọwa m taa ka ha niile ga-ebi. Ebe ọgwụ ego gharịpụrụ m, egbe agaghị agharịpụ m" Anụntị anyara egbe ya tinye isi n'ezi. E mechara jide ha, ndị uwe ojii wee sị: "Anụntị nwa gị na ndị otu ya gara zuo ohi n'otu ụlọ ọba ego dị n'obodo a wee mee mkpocha na nzacha. Ọ bụghị sọ na ha mere mkpocha na nzacha, ha ji egbe wee kpọlaa onyeisi na-elekọta ụlọ ọba ego ahụ nakwa mmadụ abụọ ndị na-arụ ọrụ na ya mmụọ.ch

Ọghọm igbu ọchụ na ndụ Anụntị

Anụntị ji maka inweta ego ọ ga-enye enyị ya nwaayị bụ Udomma nakwa egeghị ntị na ndụmọdụ nne na nna ya gaa ohi buteere ndị mmadụ ọnwụ ike nke mere ka aka kpara ya bụ eze udele nke mere o jiri kwuo mmụọ chiri ya ọzọ. Ngozi (ihu 95) zipụtara nke a: "Agbakwala ọsọ, ị gbaa ọsọ anyị agbaa gị egbe." Anụntị dọwara akpa ya n'ala, kwụrụ otu ebe chịlie aka elu. Ndị uwe ojii sịrị ya: " Ụbọchị niile bụ maka onye ohi ma otu ụbọchị bụ maka onye nwe ụlọ. Gị bụ nwa mmehie iko gị ejula. Ajọ ihe niile ahụ i mekọbara kemgbe bụ taa ka ọ ga-apụtacha ihe. Gị bụ isi ekwe ọnwụ taa ka nke gị gara." Anụnta bere nnukwu akwa mana akwa apụghị ịzọpụta ya. Ọ sị: "Chei! Ọ bụ ka m siri jee? Ọ bụ ka mụ bụ odogwu ga-esi nwụọ n'ọgbọ ọgụ? Aka ebiela mụ bụ dike n'ala. Mgbọ atụọla egbe na nku ya. Ihe emeela agụ na mbọ. Ụkwụ akpọọla ịzaga n'ụzọ ije. Dike alaa!

Ihe ndị a Chọpụtara

Nchọcha a zipụtara na ọtụtụ ihe na-eme ka mmadụ na-akpa agwa ọjọọ dị iche iche nke ibutere mmadụ igbu ọchụ so n'otu n'ime ha. Mmadụ enweghị ezi enyi nwere ezi ịhụnanya n'ebe enyi ya nọ na-eme ka anya ụfụ dị n'etiti ha nke na-eme ka onye nke nwere anya ụfụ chọọ ụzọ ọ ga-esi gbuo onye nke ọzọ ka o wee wekọrọ ihe o nwere. Ọ bụ ihe dị mkpa mmadụ iwepụ inwere mmadụ ibe ya ụfụ anya n'ihe o nwere ma nwee afọ ojuju na nke o nwere ma nwee nchekwube na ọ ga-adị mma echi.

Nwa nchọcha chọpụtakwara na mmadụ ibutere mmadụ ibe ya igbu ọchu bụ ihe dịbu adị nke ndị Igbo na-agbarụrụ ihu n'ihi na ọ bụ ihe jọgburu

onwe ya. Ụfọdụ jizi ibutere mmadụ ibe ha ọnwụ ike dịka ụzọ kacha mma ịkpata ego tụmadị n'etiti ndị na-eto eto. Nchọcha a gosịpụtakwara na ịkpaso mmadụ agwa ọjọọ nwere ike iduba mmadụ n'ibutere mmadụ ibe ya ọnwụ ike. Mmadụ kwesịri inyocha agwa ya nke ọma iji mata ma ọ dị mma ma ọ dị njọ. Akwụkwọ agụmagụ ndị a gosịrị na ibutere mmadụ ọnwụ ike nwere ọghọm so ya n'ụzọ dị iche iche.

Alo

Ọ bụ ihe ga-aba uru ịgbado ụkwụ n'ihe akwụkwọ agụmagụ ederede a gbara n'anwụ nye ndụmọdụ dị oke mkpa. Alo nke mbụ bụ ka mmadụ hapụ inwe ajọ obi n'ihi na ọ na-eduba mmadụ n'ọtutụ ihe ọjọọ. Mmadụ enweghị ọrụ bụ ihe ọzọ jọgburu udele ma sigbuo nkapị. Mmadụ ịnọ nkịtị na-eme ka mmadụ na-eche echiche dị iche iche nke mmadụ na-esi n'echiche ndị ahụ kpebie ime ihe ọjọọ. Enweghị ihe mmadụ na-arụ na-emekwa ka mmadụ sowe ajọ enyi, si na ya mụta ihe ọjọọ dịka ịṅụ mmanya ọkụ, ise igbo maọbụ anwụrụ ike ndị ọzọgasị.

Mmadụ kwesịrị ịsa anya na mmiri mgbe ọ na-eme enyị, iji chọpụta ma ọ bụ enyi ga-eduba ya n'ịgba mbọ ka ọ bụ ime ihe ọjọọ maka na Igbo tụrụ ilu sị 'gosị m onye bụ enyi gị ka m gwa gị onye ị bụ.' Ọ bụ ihe dị mma iwere ihe ọjọọ mmadụ mere gị hanye n'aka ndị ga-ekpe ya ikpe karie ibutere mmadụ ibe gị ọnwụ ike site. Mmadụ kwesịrị ị na-agba mbọ nakwa ị na-enwe afọ ojuju n'ihe o nwere karie inwere onye ọzọ anya ụfụ na nke ya. Ọ dịghị mma mmadụ igbu mmadụ ibe yam aka na ọ bụghị gị nyere ndụ ahụ ị na-ewere.

Mmechi

Akwụkwọ agụmagụ ederede ndị a họọrọ nke gunyere iduuazị abụọ na ejije abụọ zipụtara ọnwụ ike na ihe na-eduba ndị mmadụ n'igbu mmadụ ibe ha. Ụfọdụ na-ebutere ibe ha ọnwụ ike n'ihi inwe anya ụfụ ebe ụfọdụ ji maka esemokwu gbuo mmadụ ibe ha nke ha chere na ọ bụ ụzọ kacha mma igosị mwute ha nwere. Nke a mere o ji dị mkpa ka na mmadụ sepụrụ aka n'ihe ọbụla ga-eme ka anya mmiri ghara ịkọ onye ọzọ n'anya n'ihi ọnwụ ike.

[1]Nnamdi Ani
Department of Igbo, African and Communication Studies,
Nnamdi Azikiwe University.
Awka

[2]Nkechinyere Nwokoye
Department of Igbo, African and Communication Studies,
Nnamdi Azikiwe University.
Awka
Email: an.nwokoye@unizik.edu.ng

Edensibịa

Derick, Kossy na Vanguard (Febụwarị 21, 2021). "Prophetess arrested in Onitsha for pounding children alive.

Gordon, Anthony. G. (Julaị 10, 2013). "Definition of murder" on researchgate. Weghachitere na Ọktoba 21, 2021. Site na http://www.researchgate.net

Johnson, Bill. (Ọgọstụ 6, 2013). "Definition of murder" on researchgate. Weghachitere na Ọktoba 21, 2021. Site na http://www.researchgate.net

News Agency of Nigeria (NAN). (Eprel 16, 2021). "Woman arrested for alleged murder of step son by police." Weghachitere na Ọktoba 22, 2021. Site na http://www.premuimtimesng.com

Ngozi, N. P. (2016). *Nwayọ Bụ Ije*. Akpo: One-Jay Publishers

Nwana, Chisom (2021). "Anambra woman caught killing and selling human meat in a restaurant." Weghachitere na Ọktoba 21, 2021. Site na http://www.oyogist.com

Okeke, C. J. (2012). *Mmadụ Ka A Na-Arịa*. Onitsha: Edumail Publications

Olamide, Olanrewaju (2015). "The Crime of Murder." Weghachitere n'Ọktoba 21, 2021. Site na http://www.djetlawyer.com

Sinjab, Issam. (Ọgọstụ 6, 2013). "Definition of murder" on researchgate. Weghachitere na Ọktoba 21, 2021. Site na http://www.researchgate.net

Ujaa, A. O. (2014). *Chi Nwa Ogbenye*. Abakaliki: Ụjaka Publishers

User, A. (2018). "Judicial Attitude To Homicide in Nigeria: Afribary." Weghachitere na Ọktoba 21, 2021. Site na http://afribary.com/works/judiciary

Zamudio, Nelia. (2019). "Causes of Murder." Weghachitere na Ọktoba 30, 2021. Site na http://www.ouora.com